IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Eze Sọlọmọn nwere amamihe

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Eze Devid bụ nnukwu onye-ozi nke Chineke. N’oge ọchịchị ya, Izrel etoolari okpukpu iri karịa ala-eze nke Eze Sọl. Ma ugbua, ọ pụghịzi ịchị-achị. Devid emeela agadi. Ike agwụkwala ya! Nọrọkwa n’ọrịa! Ndụ ya n'ụwa abịaruwela ọgwụgwụ.





Otu n’ime ọtụtụ ụmụ
Devid, bụ́ Adonaịja,
gwara ndị Izrel na ya
ga-abụ eze ugbua.
Ọ bụ ezie na aha ya
pụtara “Onye-nwe m
bụ Chineke,” Adonaịja
abụghị ezigbo mmadụ.
Ọ nwara izuru oche-eze
ahụ, ebe ọ maara na
Devid adịghị ike nke
ukwuu nke na ọ pụghị
iguzogide ya. Ma
Chineke nwere
atụmatụ ndị ọzọ!

Batsheba nwunye Devid matara na nwa ya nwoke bụ Sọlọmọn ga-abụ eze.  O wee gosi Devid ihe Adonaija zubere.  N’agbanyeghị ka ọrịa Devid si dị ukwu, ọ kpọkọtara ndị-ndu ya niile, mekwa Solomon eze Izrel n'ihu ọha mmadụ niile ahụ.



Sọlọmọn na Adonaịja enwekwaghị nsogbu ọzọ n'ihi na ụmụ Izrel kwenyeere Devid.  Devid gwara ha na Sọlọmọn bụ onye Chineke họpụtara ka ọ bụrụ eze ha. Ka obere oge gasịrị, Devid wee nwụọ.





Tupu Devid anwụọ, ọ gwara Sọlọmọn banyere irubere Chineke isi na ịbụ ezigbo eze. “N’eje ije n’ụzọ nke Chineke, ka ihe wee gaara gị nke ọma n’ihe niile nke ị na-eme,” ka Devid gwara nwa ya nwoke. Nke ahụ bụ ezigbo ndụmọdụ! Sọlọmọn wee nọkwasị n'oche-eze nna ya, bụ Devid, e wee mee ka ala-eze ya guzosie ike.

Otu abalị, Sọlọmọn rọrọ nrọ. Na nrọ ya, Chineke mere ka ọ hu Ya anya, sị, “Rịọ! Gịnị ka m ga-enye gị?” Kedu ihe ị gaara arịọ?



Sọlọmọn rịọrọ maka amamihe ịbụ ezigbo eze. Arịrịọ eze a tọrọ Chineke ụtọ nke ukwu. Sọlọmọn nwetara ihe ọ rịọrọ - ma Chineke kwekwara ya nkwa nnukwu akụ na ụba na nsọpụrụ.



O teghị aka ndị mmadụ ịchọpụta amamihe Sọlọmọn. Otu ụbọchị, ndị nne abụọ ji otu nwa bịakwutere ya. Otu nwaanyị kwuru sị, “Nwa nwanyị a nwụrụ n'abalị, ọ



gbanwee nwa ya nwụrụ anwụ maka nke m dị ndụ.” “Ee e!  Ma nke dị ndụ bụ nwa m nwoke, ma nke nwụrụ anwụ bụ nwa gị,” ka nwaanyị nke ọzọ kwuru. Olee otú eze ga-esi mara onye bụ nne nwa ahụ n’ezie?

Eze wee sị, “Wetaranu m mma-agha.”  Ha wee weta mma-agha n'iru eze.  Gịnị ka i chere eze na-atụ atụmatụ iji mma agha ahụ mee?



Eze wee sị, “Kee nwa ahụ dị ndụ abụọ, nye otu onye ọkara ma nyekwa onye nke ọzọ ọkara.”  Mgbe ahụ, nne nwa ahụ dị ndụ wee sị, “Onye-nwe m, nye ya nwa ahụ dị ndụ, emela ka ọ nwụọ ma-ọlị.”



Ma nke ọzọ siri, “Ka ọ ghara ịbụ nke m ma ọ bụ nke gị, kama kewaa ya.”





Eze wee sị, “Nye nwaanyị mbụ nwa dị ndụ, ọ bụ nne ya.” Izrel niile wee nụ okwu ikpe ahụ, ha wee sọpụrụ eze nke ukwu. Wee hụkwa na amamihe nke Chineke dị nime ya.

Ndị Izrel enweghị ụlọ nsọ ha ga na-efe Chineke. Mgbe Devid zubere iwu otu, Chineke gwara ya sị, “Nwa gị nwoke ga-ewuru aha m ụlọ.” Ya mere, Sọlọmọn malitere iwu ụlọ nsọ magburu onwe ya na Jeruselem.



O were ogologo afọ
asaa iji wuo ụlọ nsọ ahụ.
Ma oké ụbọchị wee bịa,
mgbe ha niile zukọrọ ịnụ
ka Sọlọmọn raara ụlọ
nsọ ahụ nye Jehova.




Mgbe o kpesiri ekpere magburu onwe ya, eze na ndị mmadụ ji obi ụtọ chụọ ọtụtụ puku àjà ma nwee nnukwu oriri ruo izu abụọ!

Ma mgbe ihe ndị a gasịrị, Chineke mere ka Sọlọmọn hụ Ya anya ọzọ, O wee kwe nkwa igọzi ya na Izrel, ma ọ bụrụ na ha erubere Jehova isi.





N’ụzọ dị mwute, Sọlọmọn ma ụmụ Izrel erubereghị Chineke isi mgbe niile. Eze ahụ lụrụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị ndị Chineke na-achọghị ka ọ lụọ. Ndịnyom ya nke mba ọzọ chighariri obi ya iso ọtụtụ arụsị dị iche iche; ma obi ya eguzosighị ike n’ebe Jehova bụ́ Chineke ya nọ, dị ka obi Devid nna ya.



Mgbe Sọlọmọn tụfuru ohere o nwere irubere Chineke isi, otu n'ime ndị na-ejere ya ozi aha ya bụ Jeroboam nwere ahụmahụ dị ịtụnanya. Otu onye amụma gwara ya na Chineke ga-ekewa ala-eze Sọlọmọn na Jeroboam ga-achị ebo iri n'ime ebo iri na abụọ ahụ. Jeroboam gbagara Ijipt ngwa ngwa. Ọ ma na Sọlọmọn ga-egbu ya ma ọ nọrọ.





N'ikpeazụ, Sọlọmọn nwụrụ. Nwa ya nwoke, bụ Rehoboam, mere ka ndị mmadụ tụgbuo onwe ha n’ụtụ ọbụna karịa ka Sọlọmọn mere. Ebo iri nupụrụ isi ha ma họrọ Jeroboam ka ọ buru onye-ndú ha. E kewara alaeze ukwu Sọlọmọn ụzọ abụọ, dị ka onye-amụma Chineke kwuru. Chineke apụghị ịgọzi nnupụ-isi!

# Eze Sọlọmọn nwere amamihe

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

1 Ndị Eze Isi nke mbụ rue na nke iri na abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.